# MKWAGIDE CHINEKE NYE ORÙ YA: ONYENDÚ NKE NDỊ ISRAEL

## Ọnu-Ọgugu 17:1-13

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 106 – Nke NdỊokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bugh unu onwe-unu rọputaram, kama ọ bu Mu onwem rọputara unu weputa kwa unu iche, ka unu onwe-unu we je mia nkpuru, ka nkpuru-unu we nọgide kwa" (Jọn 15:16)**

**I Mkpà n'aka niile ahụ nke Náanọchite Anya**

1. Ndị bụ́ ọkpara maọbụ ndịisi, nke ụlọ Israel wetara onye ọ bụla mkpàn'aka ya, mkpàn'aka irinaabụọ, Ọnụ-Ọgugu 17:1, 2, 6; 1:5-16
2. Edekwasịrị aha nwoke ọ bụla n'elu mkpàn'aka ya dịka ụlọnna ha si dị, Ọnu-Ọgugu 17:2
3. Edekwasịrị aha Eron n'elu mkpàn'aka nke ụlọ Livai, Ọnu-Ọgugu 17:3
4. Edebere mkpàn'aka niile ahụ n'Ụlọikwuu ahụ n'iru iheàmà ahụ, Ọnu-Ọgugu 17:4, 7

**II Mkpàn'aka ahụ Mara ifuru, Mmeri nke Eron**

5. Ihe mere eji lee ule a bụ ka ntamù niile nke Ụmụ Israel kwụsị, Ọnu-Ọgugu 17:5; 16:41-50
6. N'echi ya achịpụtasịrị mkpàn'aka ahụ niile ma mkpàn'aka nke Eron amawo ifuru, waa kwa okoko, mi kwa mkpụrụ almond charaacha, Ọnu-Ọgugu 17:8
7. Achịpụtasịrị mkpàn'aka ahụ niile n'iru Ụmụ Israel, nwoke ọ bụla were kwa nke ya, Ọnu-Ọgugu 17:9

**III Mkpàn'aka Eron Iheàmà Dị Óké ọnụahị a**

8. Chineke nyere Moses iwu ka edoghachị mkpàn'aka Eron n'iru iheàmà ahụ ka ọ bụrụ ihe ndebe ịbụrụ ụmụ nnupụisi ahụ iheịrịbaàmà, Ọnu-Ọgugu 17:10; Ndi Hibru 9:4
9. "Moses we me ya: dika Jehova nyere ya iwu, otú a ka o mere," Ọnu-Ọgugu 17:11
10. N'ikpèazụ ya, Ụmụ Israel ghọtara ọnọdụ ha wee ghara itamù banyere ihe a ọzọ, Ọnu-Ọgugu 17:12, 13.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ìgwè Ndị Náajụ Ajụjụ**

Ekwuwo sị, "Ọlu-ebue adighị ukọ n'ebe ahu nke ana-achọ ọlu-ebube achọ." Ọ bụrụ na mmadụ ọ bụla maọbụ ìgwè mmadụ ewere eziokwu náajụ ajụjụ, Chineke aghaghị inye ọ̀zízá. Jisọs sịrị, "Ọ buru na onye ọ bula achọ ime ihe Ọ nāchọ, ọ gāmara ihe ozizi a bu, ma o sitere n'aka Chineke, ma-ọbu na Mu onwem nēkwu site n'Onwem" (Jọn 7:17). Chineke achọghị ka anyị nọdụ n'obi abụọ; mgbe oge ya ruru Ọ gaekpughere anyị Onweya dịka O kpughere Onweya nye Tomas.

N'oge a ndị Israel nọ náarụgharị n'etiti ụzọ ihe abụọ. Azọdawo nnupụisi nke Kora, Detan na Abairam site n'aka ike nke ikpé Chineke. Chineke esitewo kwa n'ụzọ náenweghị mgbagwojuanya gosi nrọpụta Ya site n'ịnara Eron n'ihe banyere isure ihe nsureọkụ náesiísì ụtọ n'ọnụụzọ ụlọikwuu nzute ahụ (Ọnu-Ọgụgụ 16:16-18, 35). Otú ọ dị mkpụrụ nke iseokkwu nke ndị nnupụisi ahụ kụrụ abawo n'ụ̀mị ha, ndị ahụ dịka ha ka naaga kwa n'iru ịjụ onye bụ ezi onye nnọchite anya nke Chineke. Ọ bụrụrị na ndị ahụ atụlewo ezi ihe niile dị nime Eron ịbụ onye nnọchite anya n'ọkwa ahụ nke onye nchụàjà, ha aghaghị ajụ ajụjụ banyere ọkpụkpọ ya n'ọkwa ahụ. Mgbe iheotiti ahụ dara n'etiti Ụmụ Israel site ná nnupụisi ha na ntamù dị icheiche ha tamuru n'okwu a, Eron ji ihe ịgụọkụ ya n'aka wee gbaa ọsọ baa n'etiti nzukọ ahụ ikpuchiri ndị ahụ mmehie ha. Chineke nabatara arịrịọ Eron dịka onye náarịọrọ ha, nke mere na iheotiti ahụ kwụsịrị. Ọ bụrụ na Israel enweghị ihe ngosi ọzọ, ihe a nke mere gaabụworị ihe ngosi zuruòkè na Eron bụ onye Chineke Onweya rọọrọ maka ọlụ nke onyenchụàjà.

**Achọrọ Ụdị Eron**

Ewezuga inyeaka Chineke ọdịghị nwoke ọ bụla pụrụ ime ihe ahụ Eron meworo. Nke a bụ ezi mkwagide nye ịbụ onyenchụàjà nke Eron nke bụ inwe ike ịchụàjà nsureọkụ náesiísì ụtọ iji kwụsị ihe otiti ahụ, nke ahụrụ na Chineke naara ya dịka onye náarịọrọ ndị ya arịrịọ. Ọ bụ n'efu ka Job chọrọ onye náarịọarịrịọ dị otú a. N'oge nke Ezikiel Onyenweanyị "chọrọ otù onye n'etiti ha, onye gaje igbá ogige, guzo kwa ná ntipú n'irum n'ihi ala-ya, ka M'we ghara ibibi ya: ma achọtaghm" (Ezikiel 22:30). Ndị dị ka Eron adịghị ọtụtụ ugbu a dịka ụfọdụ mmadụ naachọ ime ka anyị kwere, ma n'ezie anaachọsị ụdị ha ike ugbu a karịa na mgbe garaaga.

Ndị Israel site ná mkwagide Kora chere "na nzukọ Israel nile, ha nile n'otù n'otù, di nsọ." Ma n'oge náadịghị anya, ha hụtara otú ndahie ha ra, site n'ikpé Chineke nke dị ọkụ ọkụ nye ndị ikpé mara, na ha mehiere. Onyenweanyị

chọrọ mgbe niile ndị gaeguzo n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụanwụ dịka Eron mere, náarịọchitere ndị ka nọ na ndụ arịrịọ. Anyị onweanyị bụ́ ndị Kraist taa, ka akpọrọ ka anyị were arịrịọ ekpere na ịrịọ arịrịọ niile banyere mmadụ niile (I Timọti 2:1). Emere anyị ka anyị bụrụ "ala-eze ndi-nchu-àjà nye Chineke," n'ihi nke a ọlụ anyị gaalụ nye Ya dị ukwuu. Ọlụ nke ikwusa Oziọma nke nzọpụta abụghị ihe dịrị náání ndị ozi anyị, ọ dịrị nwa Chineke ọ bụla "amuru ọhu." Mgbe anyị kụsịrị Mkpụrụ ahụ ọ bụ kwa ọlụ dịrị anyị ịkwọsa ya mmiri site n'ekpere anyị ka o wee tolite rue ndụ ebighịebi n'obi nke ndị niile náanụ ya.

**Otù Ọlụebube Alụrụ**

Ìgwè mmadụ dị ukwuu pụtara ìhè bụ́ ndị nnupụisi nke Kora metụtara. Ndị ọkpara dị narị abụọ na iri ise amaara aha ha bụ ndị anaasọpụrụ. Ha bụ ndị ndú nke òtù ahụ náadịghị agaziagazi; ha wepụtakwara onwe ha imegide ịchịisi nke Moses na Eron náachị. Ma mgbe ọ́kụ́ nke sitere n'Onyenweanyị rechapụworo ha, òtù ahụ nke náadịghị agaziagazi nọdụrụ n'ima jijiji na ịtụ egwù n'otù mgbe ntà; ma n'otù ntabianya ahụ egwù ha gasịrị iwe weere ọnọdụ ha wee bo kwa Moses na Eron ebubo na ha gburu ndị ndú ha. Ọzọ iheotiti tinyekwara egwù n'obi ha, ugbu a ka ha nwe ihe ilere anya na ihe ngosi pụtaraìhè na Moses na Eron abụghị ndị náanara mmadụ ọnọdụ ya n'ike kama na ha bụ ndị Onyenweanyị rọpụtara, nke a kpatara eji lụọọlụ ebube nke mkpàn'aka ahụ.

N'okwu Onyenweanyị Moses gwara Ụmụ Israel ka ha weta mkpàn'aka dịka ụlọ nke ndị bụ nna ha si dị, mkpàn'aka irinaabụọ dịka ebo ha niile si dị. Ndị bụ Ọkpara maọbụ ndịisi ebo dị icheiche gaeweta mkpàn'aka nke edekwasịrị aha nwoke ọ bụla n'elu ya. Mkpàn'aka irinaabụọ ahụ tinyere nke Eron, ka edoro n'iru Onyenweanyị nime Ụlọ ikwuu nzute ahụ nke iheàmà. Mkwà Onyenweanyị bụ: "Ọ gēru kwa, na nwoke ahu nke M'gārọputa, nkpa-n'aka-ya gāma ifuru." Mgbe Moses baara n'Ụlọikwuu nke iheàmà ịhụ́ ihe mere n'echi ya, mkpàn'aka nke Eron bụ́ nke dịrị ụlọ Livai amawo ifuru waa kwa okoko, mi kwa mkpụrụ almond.

O nwebeghị oge enwere mpụtaìhè nke ọlụebube zuruòkè karịa otú a. Ihe niile gbasara ya dị ukwuu karịa ike niile nke òkìkè nke gaeme ka obiabụọ ghara ịdị n'obi ndị mmadụ, ọbụná ebe ndịeze anyaukwu ahụ nọ, banyere nrọpụta nke Eron na ọ bụ ihe sitere n'aka Chineke na otú Chineke si kwuchite ọnụ Eron n'ụzọ pụrụ iche n'okwu a. Ịhụ́ otú mkpirisi osisi, egbupụtaworo site n'úkwù osisi n'ọtụtụ oge garaaga, nke náenweghị kwa àzụ́ (mgbugbọ) maọbụ mmiri, kama nke atọgbọrọ n'ebe kpọrọnkụ rue náání otù abalị ya na ndịọzọ n'otù ọnọdụ ahụ ewee hụ́ na osisi ahụ amalitewo ndụ zuruòkè ọzọ, náama ifuru, náàwá kwa okoko ma n'otù oge ahụ wee mịa mkpụrụ, nke a aghaghị ịbụ ngosịpụta nke mkpepụta pụrụ iche nke Chineke iji wezuga obiabụọ ọ bụla na ime ka afọ ju onye ọ bụla nwere obi dị nrò. Ụmụ Israel niile hụzuru mkpàn'aka niile ahụ anya, ndị ọkpara ahụ wee were nwoke ọ bụla mkpàn'aka nke ya. Otú a ka Chineke si mee Eron onyenchụàjà ugbò atọ ndịa: nke mbụ site na mmanụ na ọbara, oge ọzọ site n'ọkụ, na kwenyere n'ihe ngosi ahụ náarụghịụka, ọzọ ha atamùghị kwa banyere ịchịisi ahụ ọzọ.

**Mkpàn'aka Eron Otù Ihe ncheta**

Ime ka ọ bụrụ ihe doroanya nye ọgbọ niile nke Ụmụ Israel banyere nrọpụta nke Chineke, na ime ka ọ bụrụ iheịrịbaàmà megide ndị nnupụisi ahụ, Chineke gwara Moses ka o doghachi mkpan'aka ahụ nke maworo ifuru n'iru iheàmà ahụ. Moses we me ya: dika Jehova nyere ya iwu, otú a ka o mere." Ugbu a ndị ahụ enwewo iheịrịbaàmà pụtaraìhè banyere nrọpụta nke Chineke nye ọkwá nke onyenchụàjà. Ụmụ Israel ghọtara ọnọdụ ha n'iru Chineke, ya mere ha sịrị Moses; "Onye ọ bụla nke nābiaru nso, nke nābiaru nso ebe obibi Jehova, gānwu." N'ihi ihe ngosi ahụ ha ahụwo onweha dịka Chineke hụkwara ha. Ha wee hụ na mmehie dị ukwuu karịa, ha wee chee na o nweghị kwa ụzọ ọzọ ịlaghachi azụ̀. Ọ bụrụ na ha abịarue Ụlọikwuu ahụ n'inwe obi nganga maọbụ ịbịa ọzọ nime mmụọ nke a ịnara Eron ike niile enyere ya, ha gaanwụ. Ma otú ọ dị, ọ bụrụ na ha abịa dịka ntụziaka nke Chineke si dị, náagbanyeghị na ha nwere ọnọdụ zuruòkè ịbịa, ha gaanata ngọzi Chineke site n'ime otú a.

**Mkpàn'aka ahụ Taa**

Ihe mpụtaìhè dị icheiche nke Oziọma Jisọs Kraist ka apụrụ iji tụnyere mkpàn'aka Eron. Jisọs bụ Onyeisi nchụàjà anyị, O wetara Oziọma nke Alaeze ahụ n'ụwa dịka mkpàn'aka nke ike Ya. Ọ bụ mkpàn'aka eze náagan'iru, n'oge niile Ọ dị ndụ ma náejégharị n'eluụwa; ma mgbe ọ nwụrụ n'elu obe wee rịdarue nime ílì, ndị iro Ya chéré na Oziọma ahụ soro Ya nwụọ, Olileanya ahụ nke dị ndụ dị ka ọ nwụwo n'obi ndị náesoụzọ Jisọs. Ndị iro nke Kraist mere otù omume ahụ dịka ndị Israel naatamù atamù -- na ọ bụghị onye ahụ nke Onyenweanyị tere manụ.

Lee otú mmeri ahụ si dị ebube mgbe Jisọs biliri n'ọnwụ! Oziọma ahụ, ike nke ịdị ukwuu Ya, pụta kwara ìhè ịdị ndụ ọzọ, na ịma ifuru, na ịwa okoko na ịmị mkpụrụ. Ozi ọñụ nke nzọpụta tiwakwara n'obi ụmụmmadụ ọzọ. Afụnwukwara olileanya ahụ nke dị ndụ ọzọ n'obi ndị náesoụzọ Ya. Ha naagagharị ebe niile náezisa Oziọma ahụ, ọzọ apụghị ịgụta ndị atụkwasịịrị ha. Anyị nọ n'oge nchịkọta nke mkpụrụ ikpeazụ ndị arapụworo taa; ma anyị naekele Chineke na anyị pụrụ ịlụrụ Ya ọlụ n'ubi Vine Ya. "O we si ha, Owuwe-ihe-ubi riri nne n'ezie, ma ndi ọlụ dị ole-na-ole: ya mere, nārịọnụ Onyenwe owuwe-ihe-ubi ahu, ka O zipu ndi-ọlu ba n'owuwe-ihe ubi-Ya" (Luk 10:2).

Dịka mkpàn’aka Eron nke mara ifuru kpuchiri ọnụ Ụmụ Israel ndị náatamù ntamù banyere isiokwu a, n’ụzọ dị otú a ka Oziọma jiri site “n’ime ezi-ihe me ka … ndị nēnwegh uche kpuchie ọnu” (I Pita 2:15).

Edere mkpàn’aka Eron dịka iheịrịbaàmà nke ikwesị ntụkwasị obi nke Chineke nye ụmụmmadụ. N’ụwa taa ọ dịghị iheịrịbaàmà ọzọ nke dị ukwuu nke ịhụ n’anya Chineke hụrụ mmadụ karịa Oziọma nke Nwa nke Mmadụ. Oziọma a naezi anyị ihe n’ụzọ dịkarịsịrị mfé na “Chineke huru uwa n’anya otú a, na O nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nánị Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n’iyi kama ka o nwe ndu ebigh-ebi” (Jọn 3:16).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Onyenweanyị jiri gwa Moses ka ọ nara ndị bụ ọkpara nke Ụmụ Israel mkpàn’aka?
2. Òlee otú agaeji mata mkpàn’aka nke onye ọ bụla n’etiti ha?
3. Ònye ka aha ya dị na mkpàn’aka nke ụlọ Livai?
4. Òlee ebe Chineke gwara Moses ka o debe mkpàn’aka ahụ niile?
5. Gịnị ka i chèrè O ji chọọ ka ha dị n’ebe ahụ?
6. Gịnị mere n’echi ya mgbe Moses gara lee mkpàn’aka ahụ niile?
7. Ihe dị otú a ọ̀ pụrụ ime dịka òkìkè si dị?
8. Gịnị ka Ụmụ Israel mere mgbe ha hụrụ mkpàn’aka ndị ahụ?
9. Gịnị ka Moses ji mkpàn’aka nke Eron mee? N’ihi gịnị?
10. Ụmụ Israel ha matara nguzo ha n’iru Chineke n’oge a?